## AKỤKỌ NDIGBO

## ỌNWA ABỤỌ, ỤBỌCHỊ IRI ABỤỌ NA ISE.

### Ndị Uwe Ojii Na Ndị Otu Ndị Agha Lụrụ Ajọọ Ọgụ N'Ụmụahịa



Ndị uwe ojii na ndi otu ndị agha lụrụ ọgụ n'Ụmụahịa. Ihe kpatara ya bụ nghotahie n'etiti ha. Otu onye so bụrụ ndị isi otu ndị agha, dotere ụgbọ ala ya n'akụkụ ụlọ ndị uwe ojii, kpochie ụzọr. Esemokwu si n'ime ya bụ ihe kpatara ha ji wee bido ọgụ. Akụkọ na-ekwu na ọtụtụ ndị uwe ojii na ndị otu ndị agha merụrụ ahụ.

## Ọchịchị Enugu State Ga-Ewepụ Aka N’ihe Gbasara Ụlọ Ọrụ Ebe A Na-Emepụta Ihe



Ọchịchị Enugu State ga-ewepụ aka n’ihe gbasara ụlọ ọrụ ebe a na-emepụta ihe. N’Enugu ka onye ọchịchị nọ n’isi Enugu State Investment Summit, Mazi Ike Chịoke, kwuru sị na, ụlọ ọrụ ndị a bụ: Hotel Presidential, Niger Steel Company, Sunrise Flour Mill, Enugu Vegetable Oil Limited, Adarice Company, United Palm Produce, Premier Cashew Industries, Aluminum Factory, Ikenga Hotels. Mazi Chịoke sị na, ọchịchị Enugu State na-atu anya na ndị ga-azụpụta ụlọ ọrụ ndị n’aka ọchịchị Enugu State, ga-eme ọfụma ka okwe ndị yut ị nweta ọrụ ha ga-arụ, were nyere onwe ha aka.

**Gọvanọ Ndị Delta State, Ọnyeọma Ifeanyị Ọkowa Ekwela Eze Ọhụrụ Ndị Ubulu Uku Nkwa Enyemaka.**



N'Asaba ka Gọvanọ Ọkowa  nabatara n'ụlọ ọrụ ya, eze ọhụrụ ndị Ubulu  Uku, Obi Agbogidi Chukwuka Noah, Akaeze 1. Obi Noah gwara Gọvanọ Ọkowa na ọ ga-adị ya mma n'obi nke ukwu, ọ bụrụ na Gọvanọ kwado ya n'ọchịchị ọhụrụ ya malitere n'ụbulu ụku. Gọvanọ  Ọkowa kwere Akaeze 1 nkwa sị na ọchịchị ya ga-enye aka. Ọ kwukwara sị na Akaeze gụọ akwụkwọ ya ọfụma n'obodo oyibo, ka onwee ike I ji ihe ọmụtara were chịa ndị be ya ọfụma.  Obi Akaeze ka bụ nwa gbara afọ iri na ise. Nna ya bụ, Obi Edward Ọfụlue III, nwụrụ n'aka ndi tọọrọ ya ( ndị mere ya kidnap).